# Ọ NA-ABIA ỌZỌ

Onye na-abia? "Jisus nka, Onye anapuru n'ebe unu nọ rigo n'elu-igwe, gabia n'otu aka ahu dika unu kiriri Ya ka Ọ naga n'elu-igwe."[1] Ndi Mọ-Ozi abua gwara ndi neso uzọ Ya nka mgbe ha nọ na mgbaru iru ka ha n'ele anya n'elu-igwe ebe onye nzọputa na Onye-nwe ha na - arigoro n'elu-igwe.

Jisus Kraist kwekwara nkwa mgbe Ọ nọri n'uwa si "A namaga idoziri unu ebe . . . A gajem ibia ọzọ, M'ganara kwa unu nye onwem"[2] Mgbe ihe dika ọgu arọ atọ gasiri, Kraist kwu kwara ya ọzọ site n'elu-igwe maka nlata Ya n'uwa mgbe O siri "E anam abia ososo."[3]

Ọ bibia ugbo abua nke Kraist doro anya, buru kwa ezi okwu edeputara nime Akwu-kwọ Nsọ "Chineke, Onye n'apugh ikwu okwu ugha."[4] "Elu-igwe na uwa gagabiga, ma okwu nile nkem agagh-agabiga ma-oli."[5] Ihe n'ile ga emezu.

Pita onye-ozi dere si n'ubọchi ikpe azu ndi ọchi na ndi emo n'asikwa, "Ole ebe nkwa nke ọbibia Ya di? N'ihi na site n'ubochi nna ayi - ha dara n'ura ọnwu, ihe n'ile nadigide dika ha diworo site na nmalite nke okike." Ma

Akwukwo̱ Nso̱ n'asi kwa, "Onye nwe ayi ano̱ghi o̱du n'ime nkwa-Ya, dika ufo̱du n'agu ya na o̱bu ino̱ o̱du; kama O̱ natachiri unu ogologo -ntachi-obi, n'ihi na o zubeghi ka ndi o̱bula la n'iyi, kama ka madu nile bia rue nchegh-ari."[6]

Onye-nwe-ayi n'echere ka i si na nmehie-i chegharia ma nara Ya dika onye Nzo̱puta-i "O̱ bu kwa n'ihi nka ka Jehova gechere imere unu amara."[7] N'ihi na le ka nwa oge gabia, "O̱ gagh ano̱ kwa o̱du."[8] Mgbe o̱nu uzo̱ nke nzo̱puta ga emechi rue mgbe ebigh-ebi.

Site na okwu Chineke, bu Akwukwo̱ Nso̱, ayi mutara na o̱bibia Onye-nwe-ayi gadi uzo̱ abua. Mbu, O̱ gabia na mbara elu-igwe ikpo̱ro̱ ndi n'ile kwere na Ya nezi okwu, emesia, O̱ gabia n'uwa dika Eze na O̱nye ikpe.

Po̱l onye-ozi, dere, "Nihi na Onye-nwe-ayi Onwe-Ya gewere oke ikpo̱-oku, were olu isi-mo̱-ozi, were kwa opi nke Chineke si n'elu-igwe ridata; ndi nwuru nime Kraist gebu kwa uzo̱ si n'onwu bilie; mgbe ahu ayi onwe ayi, (bu ndi kwere na Onye-nwe-ayi Jisus Kraist) bu ndi no na ndu, ndi anarapu, ayi na ha ka agewelik̲o̱ n'igwe-oji, izute Onye-nwe-ayi nime mbara elu-igwe otu a ka ayi na Onye-nwe-ayi gano̱ kwa mgbe nile."[9]

Nka puru ime mgbe o̱bula Jisus Onwe-ya kwuru si ayi: "amatagh ubo̱chi ahu ma-o̱bu oge hour ahu"[10] bu mgbe O̱ gabia. Uwa ganaga kwa dika osi n'aga, mgbe ahu n'otu ntabi anya igwe madu g'efu, ndi nile bu ezi ndi kwere na Kraist geso Onye-nwe-ayi n'o̱gide n'elu-igwe ebigh-ebi.

Were onwe-gi nyefe Onye-Nzo̱puta tupu Ya abia, ma o̱bu aga arapu gi n'azu iso igafe nime mbibi a di oke egwu nke akwukwo ikpe-azu nke Akwukwo̱ Nso̱ (bu Nkpughe) n'agwa ayi bayere ya.[11] Jisus kwuru bayere ubo̱chi ikpe-azu ndi-ahu si: "Nihi na mgbe ahu ka nkpagbu uku gadi nke ihe dika ya akadigh site na nmalite uwa rue mgbe a, e-e, O̱ gagh-adi kwa ma-o̱li."[12]

Mgbe oge nkpagbua nenwegh-imatu gasiri (aro̱-asa dika Daniel 9:24-27 kwuru) Onye-nwe-ayi Jisus Kraist gabia na-uwa na ebube ya nile na ndi-Mo̱-ozi na ndi nso̱ ma O̱ga ano̱kwasi na oche-eze Ya, "Ma n'iru ya ka ageme ka mba nile zuko̱: O̱ gekewaputa kwa ha, otu n'aru ibe-ya, dika onye n'azu aturu nekewaputa aturu na umu ewu."[13] O̱ ga-ekpe ha nile ikpe ziri-ezi bu ndi n'ekwegh na Ya dika Onye-nwe-ayi.[14] Mgbe ahu O̱ ga-edozi ala-eze Ya ma O̱ ga-achi, buru eze kachasi eze nile n'elu uwa dum.

Oge o̱ bibia nke Onye-nwe-ayi eruwala nso. "Nkpagbu nke mba di iche-iche ya na mgbagoju anya," "agha na akuko̱ agha di iche-iche," "Unwu, oria, ala oma-jijiji," "Obi ndi madu nada site n'egwu site kwa na ile-anya ihe nabiakwasi n'elu-uwa dum madu bi" na oke ikpo-asi megide Israel[15] ha nile bu ihe nriba ama Akwukwo̱ Nso̱ kwuru maka o̱bibia Ya. O̱bu ayi anaghi ahu nmalite ihe ndia ta?

Uda oke-ifufe nke obibia ikpe ahu n'adasi-ike nezie.

"Gbapu n'ihi ndu i!" "Gbanari iwe gaje ibia!" nka bu ido-aka nti nke Chineke nye gi.

Otu Jisus a nke agọziri agọzi onye biara na-uwa dika nnu-arọ ise gara aga nwuchitara ndi nmehie ọnwu bu onye i nmehiere megide. Ọ n'ariọ gi ugbua ka ibia ma kwuputa nmehie gi n'ile nye ya na-ọga agbahara gi n'obi ọma ma sacha gi ọcha karia snow.

"Obara Jisus, bu Ọkpara Ya, (Chineke) nasachapu kwa ayi nmehie nile."[16] Nkea bu nani uzọ i ga ewezuga nmehie gi.

Ọ huru gi na anya ma na-chọkwa gi I buru gi Onye-nzoputa. Ma oburu i naraghi Ya, Ọ ghaghi ibu onye-ikpe gi. Biakute ya ugbua - iga ejikere izute ya mgbe Ọga-abia ma i ga enwe ngọzi ebigh-ebi.

Le anya n'ibe ndia na Akwukwọ Nsọ: (1) Ọlu Ndi Ọzi 1:11. (2) Jon 14:2, 3. (3) Nkpughe 22: 20. (4) Titus 1:2. (5) Matiu 24:35. (6) 2 Pita 3:4, 9. (7) Isa. 30:18. (8) Hibru 10:37. (9) 1 Thess. 4:16. (10) Matiu 25:13. (11) Lee Nkpughe 6-19. (12) Matiu 24:21. (13) Matiu 25:31, 32. (14) Lee Nkpughe 19:11-21. (15) Lee Matiu 24:3-9 na Luk 21:25-28. (16) 1 Jon 1:7.

—R. K. Campbell.

**Word Of Truth**, P.O. Box 1126, Kaduna, Nigeria